# 2 Jọn

1 Ọ bụ okenye ahụ,

Na-edegara nwanyị ahụ onye Chineke
họpụtara, na ụmụ ya akwụkwọ a, bụ ndị m
hụrụ n'anya n'ime eziokwu. Ọ bụghị naanị m
kama ndị niile maara eziokwu ahụ.
2 N'ihi eziokwu ahụ nke dị n'ime anyị, nke ga-
adịgidekwa n'ime anyị ruo mgbe ebighị ebi:

3 Amara, na ebere, na udo nke sitere na
Chineke Nna na Jisọs Kraịst, bụ Ọkpara Nna ahụ
dịnyere anyị n'eziokwu n'ịhụnanya.

### *Eziokwu na ịhụnanya*

4 Apụghị m ịkọ ụdị aṅụrị m nwere mgbe
m hụrụ na ụfọdụ ụmụ gị na-ebi ndụ ịgbaso
eziokwu dịka ihe Nna nyere anyị n'iwu.
5 Ma ugbu a, ezi nwanyị, ọ bụghị iwu ọhụrụ
ka m na-edere gị kama nke ahụ e nyere anyị site
na mmalite. Ana m arịọ ka anyị hụrịta ibe anyị
n'anya.
6 Nke a bụ ịhụnanya ahụ: ka anyị na-ejegharị
n'irube isi n'iwu ya niile. Dịka unu si nụ ya site
na mmalite, unu ahapụkwala ijegharị n'ime ya.

### *Ndị ozizi ụgha*

7 N'ihi na ọtụtụ ndị nduhie apụọla baa n'ụwa,
bụ ndị na-adịghị ekwenye na Jisọs Kraịst bịara

n’oyiyi mmadụ. Onye ọbụla dị otu a bụ onye nduhie bụrụkwa onye na-emegide Kraịst.
8 Lezienụ anya, ka unu ghara itufu ụgwọ ọrụ nke anyị dọgburu onwe anyị n’ọrụ maka ya, kama ka unu nata ụgwọ ọrụ unu n’uju.
9 Onye ọbụla na-adịghị anọgide n’ozizi Kraịst, nke na-esite na ya na ewezuga onwe ya, enweghị Chineke. Ma onye ọbụla na-anọgide n’ozizi ahụ nwere Nna na Ọkpara ya.
10 Ọ bụrụ na onye ọbụla abịa izi unu ihe ọzọ dị iche site n’ozizi a, unu akpọbatala ya n’ụlọ unu, maọbụ nabatakwa ya.
11 N’ihi na onye nabatara ya ga-eso onye dị otu a keta oke n’ajọ omume ya.

12 Ọ bụ ezie na enwere m ọtụtụ ihe m chọrọ idere unu, ma achọghị m iji akwụkwọ na inki dee ha. Kama, ana m ele anya ịbịa leta unu ka mụ na unu kwukọrịta okwu ihu n’ihu, ka e sikwa otu a mee ka ọṅụ anyị zuo oke.

13 Ụmụ nwanne gị nwanyị, bụ onye a họpụtara, na-ekele unu.

# Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

## The Holy Bible in the Igbo language of Nigeria: Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

copyright © 2020 Biblica, Inc.

Language: Igbo

Contributor: Biblica, Inc.

This work is made available under the Creative Commons Attribution-ShareAlike 4.0 International License (CC BY-SA). To view a copy of this license, visit http://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0 or send a letter to Creative Commons, PO Box 1866, Mountain View, CA 94042, USA.

Biblica® is a trademark registered by Biblica, Inc., and use of the Biblica® trademark requires the written permission of Biblica, Inc. Under the terms of the CC BY-SA license, you may copy and redistribute this unmodified work as long as you keep the Biblica® trademark intact. If you modify a copy or translate this work, thereby creating a derivative work, you must remove the Biblica® trademark. On the derivative work, you must indicate what changes you have made and attribute the work as follows: "The original work by Biblica, Inc. is available for free at www.biblica.com and open.bible."

Notice of copyright must appear on the title or copyright page of the work as follows:

Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

Ndị Biblica, Inc. degharịrị ya n'afọ © 1980, 1988, 2019, 2020

Biblica® Open Igbo Contemporary Bible™

Copyright © 1980, 1988, 2019, 2020 by Biblica, Inc.

"Biblica" bụ akara e ji mara ụlọ ọrụ a, nke edebanyere dịka iwu si kwado n'ụlọ ọrụ dị n'obodo United States, ebe a na-enye akara a na ikike maka azụm ahịa ndị Biblica, Inc. Ọ bụ ha ka e nyere ikike idenye ya.

"Biblica" is a trademark registered in the United States Patent and Trademark Office by Biblica, Inc. Used with permission.

You must also make your derivative work available under the same license (CC BY-SA).

If you would like to notify Biblica, Inc. regarding your translation of this work, please contact us at https://open.bible/contact-us.

This translation is made available to you under the terms of the Creative Commons Attribution Share-Alike license 4.0.

You have permission to share and redistribute this Bible translation in any format and to make reasonable revisions and adaptations of this translation, provided that:

- You include the above copyright and source information.
- If you make any changes to the text, you must indicate that you did so in a way that makes it clear that the original licensor is not necessarily endorsing your changes.
- If you redistribute this text, you must distribute your contributions under the same license as the original.

Pictures included with Scriptures and other documents on this site are licensed just for use with those Scriptures and documents. For other uses, please contact the respective copyright owners.

Note that in addition to the rules above, revising and adapting God's Word involves a great responsibility to be true to God's Word. See Revelation 22:18-19.

2023-04-12

---

PDF generated using Haiola and XeLaTeX on 28 Dec 2024 from source files dated 13 Apr 2023

e2303256-375f-5385-8ff3-d387f2bc9c78